# ỊBỤ NDỊ NCHỤÀJÀ NKE ERON NA KRAIST
**Ọpupu 28:1-5; Levitikọs 8:1-36; 9:22-24;**
**Ndi Hibru 7:11-28; 8:1, 2**
**IHE ỌMỤMỤ 84 - Nke NdỊ-etiti**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "N'ihi na anāgbara Ya àmà, si, Gi onwe-gi bu onye-nchu-àjà rue mgbe ebigh-ebi dika usoro Melkizedek si di" (Ndi Hibru 7:17).**

**Mkpà Ọ Dị Inwe Onye Ná-arịọchita Arịrịọ**

N'ihi ịdị-nsọ nke Chineke na ụdị ndụ mmehie nke ụmụ mmadụ, ọ dị mkpà na a ga-enwe otù onye iguzo n'etiti ịdị-nsọ nke Chineke na ụdị ndụ mmehie nke anyị ịrịọrọ anyị arịrịọ. Chineke kpọrọ mmehie asị, wee mee iwu ahụ: "Nkpuru-obi ahu nke nēmehie, ya onwe-ya gānwu" (Ezikiel 18:4). Ma Jisọs jikere ịnara ịta ụta niile nke anyị wee nwụchitere anyị ọnwụ. Ọ wụsịrị Ọbara Ya ka anyị wee nwee mgbapụta ebighị ebi. Ugbu a Ọ nọ n'iru Chineke ịrịọchitere onye ọ bụla arịrịọ bụ́ onye ga-arịọ arịrịọ ka agbaghara ya mmehie ya. "Ọ buru kwa na onye ọ bula emehie, ayi nwere otù Onye nēkwu ọnu ayi n'ebe Nna-ayi nọ. Ya bu Jisus Kraist, bú Onye ezi-omume" (1 Jọn 2:1).

Anyị apụghị ịhụ́ iru Chineke n'Eluigwe mgbe anyị nwere mmehie nime obi anyị. Aghaghị ịgbaghara mmehie anyị niile tupu anyị ewee bụrụ ndị Ọ ga-anabata. Anyị aghaghị ịbịakute Jisọs, rịọ Ya ka Ọ gbaghara ma sachapụ kwa ajọ omume niile anyị. Mgbe ahụ ọ bụrụ na Chineke ahụta Ọbara ahụ nime obi anyị, Ọ ga-ele anyị anya n'ịhụn'anya. Ọ dịghị ụzọ ọzọ nke anyị pụrụ isi bịakute Chineke. Jisọs kwuru mgbe Ọ nọ nime ụwa sị, "Ọ digh onye nābiakute Nnam, ma-ọbugh site na Mu" (Jọn 14:6). Ihe Ọ na-ekwu bụ na ọ bụrụ na Jisọs ejighị Ọbara ya kpuchie mmehie niile anyị, Chineke agaghị anabata anyị dịka ụmụ Ya. Mgbe agbaghaara mmehie anyị gụọ anyị ná ndị eziomume n'iru Chineke anyị adịghị eme mmehie ọzọ.

**Ọbara nke Ụmụ Anụmanụ Ụdị nke Jisọs**

Ụmụ mmadụ ebiwo ndụ nime ụwa ọtụtụ puku arọ̀ tupu Jisọs abịa nwụọ n'ihi ndị mmehie. Òlee otú a ga-esi zọpụta ha? Site na mbụ Chineke nwere otù àtụ̀màtụ̀ na mmadụ pụrụ igbu ụmụ anụmanụ na ọbara anụ ahụ ga-ekpuchi mmehie ha. Ọbara ewu na atụrụ ndị ahụ bụ ụdị Ọbara nke Jisọs nke a ga-awụsị n'otù ụbọchị iji wepụ mmehie.

N'oge nke ndị nna ochie, tupu Israel aghọọ otù mba, ndị bụ isi nke èzínaụlọ ọ bụla na-anọ ọnọdụ ndị nchụàjà, ná-achụ kwa àjà maka mmehie ha na mmehie niile nke ụmụ ha. Anyị chọpụtara na Job na-ebili n'isi ụtụtụ, sure àjà nsureọkụ̀ dị iche iche n'ihi ụmụ ya ndịkom na ndịnyom, eleghịanya ma ha emehiewo bụrụ kwa ndị kwesịrị ka iwe Chineke dakwasị ha (Job 1:5).

**Ndị Nchụàjà nke Ndị Israel Onyinyo nke Kraist**

Ọ bụ ihe siri Ụmụ Israel ike n'oge nke ha ịghọta àtụ̀màtụ̀ nke mgbapụta ahụ nke Jisọs gaje ime ka ọ pụta ìhè mgbe Ọ bịara n'ụwa, n'ihi nke a Chineke wee nye ha Iwu ahụ nke ná-ejikọta kwa Ụlọikwuu na ụdị ya niile na ememe nke òfùfè ya niile dị iche iche, na ndị nchụàjà ndị na ejéozi ahụ dị nsọ. Òfùfè ahụ niile bụ onyinyo nke Jisọs nke gosikwara ihe O mere mgbe Ọ bịara n'ụwa ịnwụ na Kalvarị ịkwụ ụgwọ nke mgbapụta anyị na ime ka anyị nwee iruọma n'ebe Chineke nọ.

N'oge Jekob na-achọ inwụ, mgbe ọ chịpụtasịrị èzínaụlọ ya gaa n'Ijipt, o wee kpọkọta ụmụ ya ndịkom iri na abụọ ịgọzi ha; o wee buo amụma na nwa ya nke okenye agaghị abụ onyeisi nke gana achụ àjà maka ụlọ Israel. Emesịa, mgbe ụmụ Israel mehiere site n'imere onwe ha nwa-ehi ọlàedo ahụ awụrụ awụ na ịkpọ isiala nye ya, agbụrụ Livai wee pụta ịdịrị Jehova; ọ bụ kwa site n'agbụrụ a ka arọpụtara Eron ịbụ onyeisi nke obodo ahụ n'ihe nke ime mmụọ na ijéozi dịka onyeisi nchụàjà.

**Ịchọ Mma Maka Ọkwá Onye Nchụàjà**

Chineke nyere Moses iwu ka o meere Eron na ụmụ ya uwe mwụda mara mma, nke ha ga ná-eyi mgbe ha na-alụ ọlụ ha n'ebe nsọ ahụ. Chineke chọrọ uwe ahụ mma n'onwe Ya; nke ejiworo ọlàedo, ákwà anụnụ, ákwà ododo, ákwà uhie na ezi ákwà ọcha kpaa, bụrụ kwa nke ákpàrà site n'ịchọ mma nke onye nkà. Emere uwe niile ahụ maka "Otuto na ima-nma" na ihe iji chọọ ndị nchụàjà ahụ mma n'ihi ọlụ ha n'iru Jehova nime Ụlọikwuu ahụ.

Anyị bụ́ ndị amụrụ ọhụụ taa bụ kwa ndị nchụàjà nke Chineke, ezi uwe mwụda ahụ mara mma nke ná-achọ ụmụ Chineke mma bụ uwe mwụda nke eziomume: "Ọ chiriwo uwe nzọputa yikwasim, O werewo uwe-nwuda ezi-omume kpuchiem, dika onye nālu nwunye ọhu si ewere ihe ọma ike n'isi ke onwe-ya dika onye-nchu-àjà na dika nwayi anālu ọhu si ewere ihe-ejiji-ya nile chọ onwe-ya nma" (Aisaia 61:10).

Mgbe ndị nchụàjà ahụ yikwasịrị uwe ha niile mara mma, ha ga-abụ ndị ewezugara iche doo kwa nsọ tupu ha enwee ike ịchụrụ ndị ahụ àjà dị iche iche. Nzukọ ahụ niile wee bịaruo ụlọikwuu ahụ nso ịhụ́ ememe ahụ nke ga-

edo Eron na ụmụ ya ndịkom nsọ. Ha nọgidere nime ụlọikwuu ahụ ruo ụbọchị asaa mee kwa ihe niile Chineke gwara ha. Ha sara mmiri, etere ha mmanụ nsọ, ha chụkwara àjà dị iche iche nye Jehova. Egburu óké ehi maka àjà mmehie, na ebulu maka àjà nsureọkụ, na ebulu ọzọ maka iwezuga onweha iche maka iji obi chụọ àjà. Eron na ụmụ ya ndịkom na-atụkwasị aka ha n'anụmanụ niile ndịa igosi na anụmanụ ahụ niile na-anwụchitara ha ọnwụ.

**Iji Obi Chụọ Àjà nke Anyị**

Ọ bụ Chineke n'Onweya tụpụtara àtụ̀màtụ̀ nke ịchụàjà ndịa niile, nke a ga-achụ otú Chineke kwuru, ka Eron na ụmụ ya ndịkom wee nwee ike ịlụ ọlụ ha dịka ndị nchụàjà. Anyị ga-ahụta ya dịka ihe ná-ekwesịghị ekwesị ma ọ bụrụ na anyị amalite ime ememe niile dị otú a; ma otú ọ dị, anyị aghaghị ime ihe ụfọdụ ka ewee doo anyị nsọ. Ọ dịghị mkpà ka anyị were ụmụ anụmanụ chụọ àjà; kama anyị aghaghị iché arụ anyị n'iru Chineke dịka "àjà di ndu, di nsọ, nke di Chineke ezi utọ," nke bu ikpé ekpere anyị dịka uche si dị (Ndi Rom 12:1). Anyị ga-abụ kwa ndị n'ághaghị iwere ezi nleruanya chụọrọ Chineke ihe niile dị Ya ezimma n'àjà. Obi adịghị atọ Chineke ụtọ mgbe anyị ná-ejighị ezi obi anyị niile chụọrọ Ya àjà. Anyị aghaghị inye ihe kachasị mma nke anyị nwere, ma kwe kwa Ya mkwà na anyị ga-eme ihe niile Ọ chọrọ ka anyị mee.

Ọ bụghị kwa náání otite mmanụ ahụ a na-ete ndị nchụàjà, a na-ete kwa ha ọbara ná ntị aka-nri ha. Nke a na-egosi na ewerewo ọbara kpuchie ha. Na nke a anyị na-amụta kwa na aghaghị iwere ọbara wụsa n'obi anyị nke ụgbò abụọ n'odudo nsọ, mgbe anyị ghọsịrị "ndi-nchu-àjà," ma ọ bụ ndị azọpụtara.

**Ọkụ nke Ná-esiteghị n'aka Mmadụ**

Ndị nchụàjà ahụ nọ nime ụlọikwuu ahụ ụbọchị asaa n'oge ha na-ewezuga onweha iche. N'ụbọchị nke asatọ ha ewee jikere ịchụrụ ndị ahụ àjà. Chineke gosiri ha na òfùfè ha na iwezuga onweha iche iji obi chụọ àjà bụ ihe dị Ya ezimma mgbe O zitere ọkụ̀ ahụ nke rechapụrụ anụ ahụ nke dị n'ebe ịchụ àjà. Ọ dịghị mmadụ ọ bụla mụnyere ọkụ̀ ahụ. Chineke mere ka o nwuru n'otù ntabịanya. Obi tọrọ ndị ahụ ụtọ ịhụ́ na Chineke nọnyeere ha nke mere na ha dara kpuo iru ha n'ala wee nye kwa Ya otuto.

Mgbe anyị na-eji obi anyị chụọ àjà nke dị Chineke ezi ụtọ, n'ihi odudo nsọ anyị, Ọ na-ekwe ka ọkụ̀ nke mmụọ Ya dakwasị àjà anyị, anyị ewee mara na edowo anyị nsọ. Ma otú ọ dị, ọtụtụ ngọzi dị ukwuu ka na-echéré anyị n'onyinye nke baptizim nke Mmụọ Nsọ, mgbe a na-enye onye ahụ edoro nsọ ike nke ijéozi.

Ọkù ahụ nke Chineke mụnyere ka a na-arapụ ka ọ n-aenwu n'ebe ịchụàjà ahụ mgbe niile. Ụtụtụ na abalị ọ bụla ka a na-atụkwasị ihe ịchụàjà ọhụụ dị iche iche n'elu ya, ná-agbanyeghị ọtụtụ onyinye ndịọzọ pụrụ iche. Otú a ka anyị na-esi eme ka ọkụ̀ nke ịhụn'anya Chineke ná-enwu nime obi anyị site n'inye àjà nke ịhụn'anya na ijéozi, nke sitere n'obi anyị ụbọchị niile nye Onye ahụ kachasị ihe niile Elu.

**Onyeisi  Nchụàjà Anyị**

Ndị nchụàjà ahụ niile nwere ụdị ọlụ dị iche iche ma ha na Onyeisi nchụàjà na-alụkọ ọlụ, onye bú onye-ndú ha. Ọ dị ihe dị iche iche nke ọ bụ náání onyeisi nchụàjà ga-alụ. Anyị bụ ndị ọlụ ndị ha na Kraist Onyeisi nchụàjà anyị na-alụkọ ọlụ n'otù, dịka anyị na-agbasa Oziọma. Jisọs bụ Onyeisi nke nzọpụta ahụ, ọ bụ kwa náání Ya pụrụ ịzọpụta onye ahụ nke furu efu.

Anyị mụrụ na Jisọs sitere n'ebo Juda pụta, "bú ebo nke Moses nēkwugh ihe ọ bụla banyere ndi-nchu-àjà nye ya" (Ndi Hibru 7:14). Òlee otú O jiri bụrụ onye nchụàjà ọ bụrụ na ndị nchụàjà niile na-esite n'ebo Livai?

O nwere otù mgbe onye nchụàjà karịrị Eron ukwuu dịworo. Ọ bụ onye nchụàjà n'oge nke Abraham. (Anyị ga-echeta na Abraham bụ nnanna Jekob; site kwa na Livai nwa Jekob ka Eron n'ọnọdụ onye nchụàjà ya si pụta). Onye nchụàjà a bụ Melkizedek, akpọkwara ya eze Salem. Mgbe Jisọs bịara, Ọ bịaghị site n'usoro nke agbụrụ Eron, kama Ọbụ Onye nchụàjà dịka Melkizedek onye bụ kwa eze. Jisọs ga-abụ kwa Eze mgbe Ọ ga-abịaghachi n'elu ụwa ịchị ọchịchị nke otù puku arọ.

Abraham bụ onye dị ukwuu, onye nke Chineke , onye akpọrọ nna nke okwukwe. Ndị odeakwụkwọ na Ndị Farisii kwuru okwu banyere ya na ọ bụ nna ha, ná-ekwu kwa na ọ bụ ya malitere okpukpé ha. Ma otù ụbọchị mgbe o si n'agha ná-alata ná-eji kwa ọtụtụ ihe akwatara n'agha, o zutere Melkizedek; hụ́ kwa ya dịka onye karịrị ya ukwuu, Abraham kwụrụ ya otù ụzọ n'ụzọ iri. Mgbe ahụ Melkizedek wee gọzie kwa Abraham. Pọl na-agwa anyị na onye dị ntà na-akwụ onye karịrị ya ukwuu otù ụzọ n'ụzọ iri, onye ahụ na-agọzi kwa ya, ya mere anyị pụrụ ịhụ́ nkeọma na Melkizedek karịrị onye nke Chineke ahụ dị ebube bú Abraham.

**Kraist Onyenchụàjà dị ka Melkizedek**

Melkizedek bụ ụdị Jisọs, ya mere ọ bụrụ na Melkizedek dị ukwuu karịa Abraham n'ezie Jisọs dị ukwuu nke ukwuu karịa Abraham. Ndị odeakwụkwọ na ndị Farisii achọghị ịña ntị, na-ekwu na ha nwere Abraham na nna. Ma Jisọs sịrị, "Obi tọrọ nna-unu Abraham utọ nke uku ihu ubọchim." Ndị amụma niile nke Agba Ochie weere ọñụ ná-elepụ anya ịhụ́ mgbe Jisọs ga-abịa, mgbe mkpà inwe ndị nchụàjà dịka Eron ná-agaghị adị kwa ọzọ.

Anyị na-echeta n'ihe ọ̀mụ̀mụ̀ nke ụlọikwuu ahụ na iru Chineke na-ebi n'etiti cherubim ahụ n'elu Oche-ebere nime Ebe Nsọ kachasị Ebe Nsọ niile. Ọ bụ náání onyeisi nchụàjà pụrụ ịbà n'ebe ahụ, náání otù ugbò n'arọ. Ma mgbe Jisọs bịara n'ụwa ụmụ Israel adaghachịworị azụ site na Chineke nke mere na iru Ya adịghị kwa n'Ebe Nsọ

kachasị Ebe Nsọ niile ahụ ọzọ. Mgbe Jisọs nwụrụ n'elu obe ákwà-mgbochi ahụ nke ná-egechi Ebe Nsọ ahụ kachasị Ebe Nsọ niile gbawara iberibe abụọ site n'elu ruo ala nke bụ na onye ọ bụla nwere ike ịbà nime. Oge nke okpukpé nke ụlọikwuu ahụ na ụlọnsọ agafewo. Jisọs bụ Onye nchụàjà ọhụụ, ọ dịghị Ya mkpà ịchụàjà nke anụmanụ dị iche iche nime ụlọnsọ ahụ kwa ụbọchị, n'ihi na O nyewo Onweya otù ugbò, wụsị kwa Ọbara Ya maka mkpuchi mmehie nke ga-adị ruo ebighị ebi; emesịa O wee were Ọbara Ya baa n'Eluigwe

**Etere Kraist Mmanụ dị ka Onyenchụàjà**

Jisọs abụghị nnọọ onyenchuàjà n'ihi na Ọ chọrọ ịbụ. Chineke rọpụtara Ya, dịka O si kpọọ kwa Eron (Ndi Hibru 5:4). Asara Ya mmiri were kwa mmanụ tee Ya (Mmụọ ahụ) Mgbe e mere baptizim n'osimiri Jọdan, Mmụọ nke Chineke wee fedata dịka nduru ná-ebekwasị Ya. Ọbara ahụ nke a na-ete ná ntị, mkpịsị-aka ukwu na mkpịsị ụkwụ ukwu nke ndị nchụàjà ahụ ka emezuru mgbe Jisọs kpuru okpu ogwu na mgbe akpọrọ ya ntu n'aka na n'ụkwụ n'elu obe. Jisọs mezuru usoro ụdị nke ndị nchụàjà; ma lee otú O ji dị ukwuu karị!

Mgbe Aisaia hụrụ Onyenweanyị n'ọ́hụ̀, ọ nụrụ ndị cherubim ka ha na-eti: "Nsọ, Nsọ, Nsọ ka JEHOVA nke usu niile nke ndịagha dị, ùjú ụwa nile bụ ebube-ya." Aisaia zara sị, "Ọ bu Eze-ayi, bú JEHOVA nke usu nile nke ndi-agha, ka anyam abua huworo" (Aisaia 6:3, 5), Onye ahụ bụ Jisọs Onye ghọrọ Onyeisi njụàjà anyị. Ọzọ kwa Jọn, ná-agwa etiti Patmọs, nụrụ ka ndị mmụọ ozi na-abụ̀ abụ̀ sị: "O kwesịrị, bu nwa-aturu ahu nke egbuworo egbu, inata ike nile, na akù, na amam-ihe na ume, na nsọpuru, na otuto, na ngọzi"; ihe ọ bụla ekèrè èkè nke dị n'Eluigwe na n'elu ụwa na n'okpuru ụwa, na n'óké osimiri, ha na ihe niile dị ha nime ka ha na-asị: "Ọ bu onye ahu nke nānọkwasi n'oche-eze ahu, Ya na Nwa-aturu ahu, ka ngọzi nile na nsọpuru nile na otuto nile na ike nile diri rue mgbe ebigh-ebi" (Nkpughe 5:12, 13). Jisọs Onyeisi nchụàjà anyị nyere Onweya dịka Nwa-atụrụ nke Chineke, ka anyị dị ndụ ebighị ebi. Ọ na-arịọchitara anyị arịrịọ taa n'iru Chineke. Ndị niile ga-abịa ná nchègharị ná-arịọ ka agbaghara ha mmehie ha niile ka a na-agụ ná ndị eziomume n'iru Chineke site n'Ọbara nke Jisọs, ha nwekwara ndụ ebighị ebi.

**AJỤJỤ DỊ ICHE ICHE**

1. Gịnị mere o ji dị mkpà na anyị ga-enwe onye nchụàjà?
2. Ònye bụ Onyeisi nchụàjà anyị, òlee kwa otú ịbụ Onyeisi nchụàjà Ya ji dị mma karịa nke Eron?
3. Òlee otú ndị nchụàjà nke ụlọikwuu ahụ si nweta ọkwa ha?
4. Jisọs, Ò sitere n'agbụrụ Eron? Ọ̀ bụ onye nchụàjà dịka usoro ònye si dị?
5. Òlee otú Jisọs si kpuchie mmehie?